***<u>Year C #775</u>***

***A Treasure in Earthen Vessels***

***Akù Dị N'ite Ajá***

***031204-5***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Onyenweanyị Jisọs ahụrụ n’anya rapụrụ ebube Elu-igwe ma kwuputa na **Ndi Hibru isi iri n’ahiri nke ise nakwa nke asaa** sị -

**5 N'ihi nke a mgbe Ọ na-abịa n'ụwa, Ọ sị, Àjà na ihe echere n'iru Gị, I chọghị ha, Ma arụ ka I kwadebere nye m;**

**7 . . . Lee, abịawo m (N'akwụkwọ-mpịakọta ka edeworo ihe banyere m) ime ihe I na-achọ, Chineke.**

Nke ahụ bụ ihe ọ bụ maka ya! Jisọs bịara ime ihe e kpebiwori n’oge a na-apụghị ịgụkọ ọnụ n’etiti ịbụ-isi Chineke - ime uche Chineke. Mana ọ bụ ebee, kedụ mgbe ọ bụ ma nihi gịnị ka e jiri mee ya? Ọ bụ n’anụ-arụ, nke na-adịghị nta karịa mkpụrụ-obi na Mmụọ Ya, ka Onyenweanyị mereri uche Chineke. Ụfọdụ nime anyị dị ka anyị na-echezọ nke a. Ọ dị ka anyị na-eche na arụ anyị bụ nke anyị onwe anyị. Anyị na-agabiga ndụ ma na-ekewapụ iche ihe na-ewere ọnọdụ nime mmụọ n’ebe ihe na-ewere ọnọdụ n’ebe anụ-arụ anyị dị. Anyị adịghị ahụta etu e si kekọ ha niile n’otu.

Ọ gara n'iru na-asị na **Ndi Hibru isi iri** -n'nkebi **ahiri nke itolu nakwa nke iri-**

**9 . . . Lee, abịawo m ime ihe I na-achọ . . .**

**10 Ọ bụ kwa n'ọchịchọ a ka edoworo anyị nsọ** - nke ahụ pụtara na ekewapụwo anyị iche - **site n'iche arụ Jisọs Kraist n'iru Chineke dịka àjà naání otù mgbe.**

Ihe bụ ọchịchọ Chineke, ọ bụ naanị Ya pụrụ ịlụ ya. N'okwu ọzọ, Jisọs bịara n'anụ-arụ nke akwadoro Ya na Betlehem. Mana mgbe Jisọs wetara otu anụ-arụ ahụ ma chee ya n'iru Chineke n'elu Obe nke Kalvarị, O mere nke a imezu uche Chineke n'anụ-arụ Ya. Site n'otu anụ-arụ a, O kewapụrụ anyị iche, ka arụ anyị wee bụrụ nke Chineke. Ọ bụghị nnọ okwu banyere ihe anyị na-eme nakwa ihe anyị na-eche na anyị ekwesighị ime; ọ bụ ịghọta na Chineke na-alụ ọlụ site na anyị. Anyị dị iche iche dịka mmadụ, mana Ọ na-alụ ọlụ site n'arụ anyị.

Ee, anabatara m Ya n'ime ndụ m site n'okwukwe. Ụbọchị dị ebube ka ọ bụ mgbe m matara na asachawo m ma gbagharakwa mmehie m! Okwu Chineke na-adị ndụ site na Mmụọ Nsọ nke na-eme ka Kraist dị ìrè nime obi m. Ee, Jisọs bịara ibi nime ndụ m site **n'ọchịchọ a -** ya bụ uche Ya - **ka edoworo m nsọ site n'iche arụ Jisọs Kraist n'iru Chineke dịka àjà naání otù mgbe.**

Ịghọtara na ọ dị mkpa ịmara na ọ bụghị gị onwe gị nwe arụ gị? Ị pụghị ikèwasị onwe gị mpaghara dị iche iche ma chee sị, “Agaje m ịrọpụta ogbugbo nye nsogbu a, nihi na, n’ihe niile, akụkụ uche m nta nke a bụ nke m”.  Maọbụ ị gajeghị ịgbapụ ọsọ ebe obi gị na-awagharị n’ogbe ọzọ, maọbụrụ na ihe ahụ anọghị n’uche Chineke. E kewapụrụ arụ nke a iche n’ụzọ dị ịtụnanya  -  ọ bụghị nnọ site n’ihe anyị na-ahụ n’enyo, kama ọ bụ onye anyị bụ n’anụ-arụ nke a.  E kewapụrụ iche  -  azụtara  -  site n’Onyenweanyị. Lee ka o si dị mkpa ịhụta na ọchịchọ mbụ nke Onyenweanyị bụ ime uche nke Nna Ya.

**5    . . .  Ma arụ ka I kwadebere nye m;**

**7    . . .  Lee, abịawo m ime ihe I na-achọ, Chineke.**

Ọ bụ n’anụ-arụ ka O mere uche Chineke. Ọ dịghị ebe ọzọ karịa mkpụrụ-obi na mmụọ Ya, ka Onyenweanyị mereri uche Chineke.

**10    Ọ bụ kwa n'ọchịchọ a ka edoworo anyị nsọ** . . .  Ị matara na e kewapụwo anyị iche ka Chineke wee lụa nke ahụ site na anyị?

E nwere ahiri dị ịtụnanya dị na  **Kọrịnt nke abụọ isi  anọ ahiri nke asaa**  -  **Ma anyị nwere àkù a** . . . -  nke a bụ Onyenweanyị Chineke n’onwe Ya  -  . . .  **n'ite ájá**  -  *site n’ọlụ nke Mmụọ Ya, a mụrụ Ya nime arụ anyị* . . .  **ka ọkịka nke ike ahụ wee bụrụ nke Chineke, ghara kwa isite n'anyị onwe anyị.**  N’ụzọ ụfọdụ ọ dị ka anyị na-adọ Chineke aka ime ihe na ọ bụ ngosi nke ike na nkwado Ya, mgbe o

nweghị ihe apụrụ ịlụzu site n'aka anyị. Mgbe ahụ n'ụzọ ụfọdụ maọbụ nke ọzọ, anyị na-amanye nime ya ịnara otuto ahụ niile sitere na ya! Ọ bụghị . . . **ka ọkịka nke ike ahụ wee bụrụ nke Chineke, ghara kwa isite n'anyị onwe anyị.**

Ọ bụ ya mere ihe niile banyere iche arụ anyị n'iru Chineke ji bụrụ nke e gosiri nke ọma na **Ndi Rom isi iri na abụọ ahiri nke mbu - . . . ka unu chee arụ unu n'iru Chineke, dịka àjà dị ndụ, dị nsọ, nke dị Chineke ezi ụtọ . . .**

Mana anyị na-ebu ụzọ rue na **Ndi Rom isi isii, asaa, na asatọ** tupu anyị e rue **Ndi Rom isi iri na abụọ**. Ọ dịghị mma iche n'iru Chineke arụ nke juputara nnọ n'onwe-mmadụ rue na ihe niile anyị na-eme dịka Chineke na-alụ ọlụ ọbụla site n'aka anyị, bụ iri otuto ahụ ozugbo na ịkụrụ ike ahụ nakwa ọkwa ahụ ma n'otu ụzọ ma ọ bụ ọzọ anyị na-amawapụta ihe na-ewere ọnọdụ. Mba! Ihe anyị na-ekwu mgbe anyị na-eche arụ anyị n'iru Chineke yiri iche arụ anyị n'iru Chineke dịka àjà n'elu ebe-ịchụ-àjà. O metụtara ọnwụ. Ya mere, anyị nwere mkpa ịghọta na ọ dịghị mma iche n'iru Chineke onye anyị bụ rue, na mbu na mbu, mgbe anyị hụtara na nime Kraist ka anyị nwụrụ. Ọ bụghị ndụ nke mụ onwe m; ọ bụghị ihe m chọrọ ime; ọ bụghị maka ebumnobi nke ịnara otuto ahụ na ike nakwa nlegide anya n'ebe mụ onwe m nọ. Ọ bụ ka o wee bụrụ nke sitere na Mmụọ Nsọ, nke bụ nzube Kraist, nke a lụpụtara site na mụ onwe m.

Ị dị n'njikere maka nke ahụ? Ị dị n'njikere ịsị, *Arụ nke a, Onyenweanyị, abụzighị nke mụ onwe m. Ọ bụ arụ Gị. Ya mere, amatara m na ọ bụghị ihe mụ onwe m na-atụpụta ime n'ụzọ pụtara ìhè site n'ime ihe n'ogo ime mmụọ na-asị, "Taa ka echere m n'iru Gị". Kama ọ bụ nnọ ịbịakwute Gị ma na-asị, "Ana m eweta arụ m. E dowo ya nsọ site n'uche Gị. E kewapụwo ya iche maka ebumnuche Gị, ma site n'ime nke ahụ, ka àkù ahụ dị n'ime m wee bụrụ nke Gị, ana m ekpebi taa na ọ bụzighị mụ onwe m; ọ bụ Kraist. Ana m agụ onwe m dịka onye nwụrụ anwụ n'ezie n'ebe mmehie dị ma dị ndụ n'ebe Chineke nọ, site n'ike nke Mmụọ Chineke, ka nzube niile nke ihe eburu ụzọ tụa atụmatụ ya n'ebighị-ebi banyere uche Chineke nye ndụ m, bụrụ nke alụpụtara".*

*Halleluya! Ka O rie otuto niile ahụ! Amen.*